

# INYEA[illegible] S[illegible]

ONYE KPOKỌTARA YA ỌNỤ N'USORO BỤ WATSON GOODMAN

"INYEAKA SI N'ELU" bu ihe ewepụtawọri isi-okwu nile na ihe edere n'akwukwọ nsọ bayere isiokwu a dum aroputara sitere n'ebe di iche iche n'Akwukwọ nsọ, n'ihi na ekwetaram na ihe ndepụta nke kacha nma bayere ihe dum edere n'akwukwọ nsọ bu Akwukwọ nsọ n'onwẹ-ya.

Okwu Chineke si "n'elubia" na n'ezie ọdiri nkpụrụ-ebi nile agunagu na nke akpiri nakpọ kwa nku n'ezi omume nkpa. Mgbe madu chegharíri, ma wezuga onwe-ya na nmehie, bia were obi-ya dum kwere n'Onyẹ-nzọpụta, bu Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, Onye-nwe-ayi ga ewere O-nwe-Ya gosi ya, makenye oñu na udo nke Ya nime nkpụrụ-obi kwere ekwe. Aribawom nka-ama nime arọ 1937 na otụtụ aro a emebibeghm eke nnwekọ a nime Onyẹnwe-ayi. Añam erugide ka i ḅaba nime ya UḄUA, ma ọbụrụ na i mebegh nka. — Watson Goodman

# IHỤ-N'ANYA NKE CHINEKE

## Jeremaia 31.3

Site n'ebe di anya ka Jehova mere ka m'hu Ya, si, Ọ bu ihu-n'anya nke di mḇe ebigh-ebi ka M'jiworo hu gi n'anya: n'ihi nka ka M'meworo ka ebere digidere gi.

## Ndi Rom 5.8

Ma Chineke nēme ka ihu-n'anya nke aka Ya n'ebe ayi nọ puta ìhè, n'ihi na, mḇe ayi nọ nābu ndi-nmehie, Kraist nwuru n'ihi ayi.

## Nkpughe 1.5

Nke si kwa n'aka Jisus Kraist puta, Onye bu onye-àmà kwesiri ntukwasiobi, onye eburu uzọ mu n'etiti ndi nwuru anwu, buru kwa onye-isi nke ndi-eze uwa. Onye ahu Nke nāhu ayi n'anya, Onye tọpu-kwa-ra ayi na nmehie nile ayi nime ọbara-Ya.

## Jọn 15.13

Ọ digh onye ọ bula nwere ihu-n'anya kari nka uku, ka madu tọḇọ ndu-ya n'ihi ndi-eyì-ya.

## Jọn 3.16

N'ihi na Chineke huru uwa n'anya otú a, na Ọ nyere ọbuná Ọkpara Ọ muru nání Ya, ka onye ọ bula nke kwere na Ya we ghara ila n'iyì, kama ka ọ nwe ndu ebigh-ebi.

### 1 Timọti 3.16

Ọ bu kwa ihe anēkwuputa na ọ di uku, bú ihe-omimi nke nsọpuru-Chineke; Onye ahu Nke emere ka Ọ puta ìhè n'anu-aru, Nke aguru Ya n'onye ezi omume nime mọ, Nke emere ka ndi-mọzi hu Ya anya, Nke ekwusara Ya n'etiti ndi mba ọzọ, Nke ekwere na Ya nime uwa, Nke anara Ya n'elu nime ebube.

### Jọn 1.1 nạ 14

Na mbu ka Okwu ahu diri, Okwu ahu na Chineke di-kwara, Okwu ahu buru kwa Chineke. . . . Okwu ahu we ghọ anu-aru, bú madu, Ọ we biri n'etiti ayi, (ayi kiri-kwa-ra otuto-Ya, bú otuto dika otù nwa-nwoke amuru nání ya nānata n'aka nna-ya), O juputara n'amara na ezi-okwu.

### Jọn 14.9b na 10a

. . . onye hurorom anya ahuwo Nnam anya; gì onwe-gi si aṅa si, Gosi ayi Nna ahu? Ì kwegh na Mu onwem nọ nime Nnam, Nnam nọ kwa nimem?

### Matiụ 1.22, 23

Ma ihe a dum emewo, ka okwu Onye-nwe-ayi kwuru site n'ọnu onye-amuma-Ya we mezu, si, Le, nwa-abọghọ ahu nāmagh nwoke gādi ime, ọ gāmuta kwa Nwa-nwoke, Ha gākpọ kwa aha-Ya Immanuel; nke bu, ma asugharia ya, Chineke nọyere ayi.

### 1 Jọn 4.15

Onye ọ bula nke gēkwuputa na Jisus bu Ọkpara Chineke, Chineke nānọgide nime ya, ya onwe-ya nānọgide kwa nime Chineke.

### Ndi Kọlọsi 2.9

N'ihi na nime Ya ka ozuzù nile nke ihe Chineke bu nēbigide nēwere aru madu.

### Aisaia 9.6

N'ihi na amuworo ayi otù nwa, otù nwa-nwoke ka enyeworo ayi; ibu-onye-isi gādikwasi kwa n'ubu-ya: agākpọ kwa aha-ya Onye-ebube, Onye-ndum-ọdu, Chineke Nke bu Dike, Nna Nke bu Nna mbe nile ebigh-ebi, Onye-isi Udo.

### Luk 1.35

Mọ-ozi ahu we za, si ya, Mọ Nsọ gābiakwasi gi, ike nke Onye kachasi ihe nile elu gēkpuchi kwa gi: n'ihi nka Ihe di nsọ nke i di ime Ya, agākpọ Ya Ọkpara Chineke.

### Matiu 17.5

Mbe ọ kpu okwu n'ọnu, le, igwe-oji nke nēnwu enwu kpuchiri ha: le kwa, olu si n'igwe-oji ahu puta, si, Onye a bu Ọkparam M'huru n'anya, Onye ihe-Ya dim ezi nma; nurunu okwu-Ya.

# JISUS AGWA AYI ONYE Ọ BỤ

## Jọn 10.7

Ya mere Jisus siri ha ọzọ, N'ezie, n'ezie, asim unu, Mu onwem bu ọnu-uzọ nke aturu.

## Jọn 13.13

Unu onwe-unu nākpọm, Onye-ozizí, na, Onye-nwe-ayi: unu nēkwu kwa nke-ọma; n'ihi na ọ bu otú M'di.

## Jọn 8.58

Jisus siri ha, N'ezie, n'ezie, asim unu, Mḇe akāmugh Abraham Mu onwem di.

## Jọn 9.5

Mḇe ọ bula M'nọ n'uwa, abum ìhè nke uwa.

## Jọn 11.25

Jisus siri ya, Mu onwem bu nbilite-n'ọnwu na ndu: onye nē-kwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ.

## Jọn 6.35

Jisus siri ha, Mu onwem bu nri nēnye ndu: onye nābiakutem, agu agagh-agu ya ma-ọli, onye nēkwere kwa na Mu akpiri agagh-akpọ ya nku ma-ọli mḇe ọ bula.

## Jọn 8.23

Ọ we si ha, Unu onwe-unu si n'ebe di ala puta; Mu onwem si n'ebe di elu puta: unu onwe-unu si n'uwa nka puta; Mu onwem esigh n'uwa nka puta.

## Luk 5.4-6

Ma mḇe O kwubìri okwu, Ọ si Saimon, Nupu n'oḇu-miri, wuyenu ihe unu ji eḇu azù ka unu ḇue azù. Saimon we za, si, Nnaayi, ayi dọḇuru onwe-ayi n'ọlu ogologo abali a dum, ma ayi eḇutagh ihe ọ bula: ma n'okwu-Gi m'gāwuye ihe eji eḇu azù. Mḇe ha mesiri nka, ha we nwuta oké ìgwè azù; ihe-ha eji eḇu azù we nādọka.

## Matiu 20.30 na 34

Ma le, ndi-ìsì abua ndi nānọdu n'akuku uzọ, mḇe ha nuru na Jisus nāgabiga, ha tie nkpu, si, Onye-nwe-ayi, mere ayi ebere, Nwa Devid. . . Ma Jisus, ebe Ọ nwere ọmiko n'aru-ha, Ọ we metu anya-ha aka: ngwa ngwa ewe me ka ha hu uzọ, ha we so Ya.

## Matiu 14.19-21

Ọ we gwa ìgwè madu nile ka ha nọdu n'elu ahihia; Ọ we nara oḇe achicha ise na azù abua ahu, le anya n'elu-igwe, gọzie ha, nyawa, we nēnye ndi nēso uzọ-Ya oḇe achicha ahu, ndi nēso uzọ-Ya nēnye kwa ìgwè madu nile. Ha nile we rie, afọ ju-kwa-ra ha: ha we tutukọ nke fọduru nime iberibe ahu, nkata iri na abua juru. Ma ndi riri ra ka nnù ndikom iri na nnù abua na ọgu iri, nāgugh ndinyom na umu-ntakiri.

### Ndi Rom 14.9

N'ihi na ihe Kraist ji nwua, di kwa ndu ọzọ, bu nka, ka Ọ we buru Onye-nwe ma ndi nwuru anwu ma ndi di ndu.

### Ndi-Hibru 1.2

Chineke. . . ọ gwara ayi okwu n'ọgwugwu ubọchi ndia nime Ọ-kpara, Onye O doro onye-nketa nke ihe nile, Onye O site-kwa-ra n'aka-Ya me uwa nile.

### Ndi Kọlọsi 1.16

N'ihi na nime Ya ka ekère ihe nile, nke di nime elu-igwe na nke di n'elu uwa, ihe apuru ihu anya na ihe anāpugh ihu anya, ma ọ bu oche-eze, ma-ọbu ibu-ndi-nwe-madu, ma-ọbu ibu-ndi-isi, ma-ọbu ichi-isi; esitewo n'a-ka-Ya kè ihe nile, ekèwo-kwa-ra Ya ihe nile.

### Jọn 1.3

Ekère ihe nile site n'aka-Ya; ekègh kwa otù ihe ọ bula nke ekèworo ma Ọ nọgh ya.

### Ọlu ndi-ozi 2.36

Ya mere ka ulo Israel nile ma-zue, na Chineke mere Ya ka Ọ buru Onye-nwe-ayi na Kraist-ayi, bú Jisus ahu Onye unu onwe-unu kpọgidere n'obe.

### 1 Ndi Kọrint 1.9

Chineke kwesiri ntukwasi-obi, Onye esitere n'aka Ya kpọbata unu na nnwekọ nke Ọkpara-Ya Jisus Kraist Onye-nwe-ayi.

### Ọlu ndi-ozi 10.42

Ọ we nye ayi iwu ka ayi kwusara ndi-Ju, ka ayi kwusi kwa ike na Onye a bu Onye Chineke kaworo ibu Onye-ikpé nke ndi di ndu na ndi nwuru anwu.

### 2 Timọti 4.1

Anamagwasi gi ike n'iru Chineke na Kraist Jisus, Onye gaje ikpe ndi di ndu na ndi nwuru anwu ikpé, ewerekwam ngosi-Ya na ala-eze-Ya si gi.

### Ndi Rom 2.16

N'ubochi ahu mbe Chineke gēkpe ihe-nzuzo nile nke madu nile, dika ozi ọmam si di, site n'aka Jisus Kraist.

### Ndi Rom 14.10

Ma gi onwe-gi, gini mere i nēkpe nwa-nna-gi ikpé? ma-ọbu gi onwe-gi kwa, gini mere i nākpọ nwa-nna-gi ihe-efu? n'ihi na ayi nile gēguzo n'iru oche-ikpé Chineke.

### Matiu 25.32

Ma n'iru Ya ka agēme ka mba nile zukọ: O gēkewaputa kwa ha, otù n'aru ibe-ya, dika onye nāzù aturu nēkewaputa aturu n'umuewu.

### Jọn 5.22

N'ihi na Nnam adigh-ekpe kwa madu ọ bula ikpé, kama O werewo ikpé nile nye Ọkpara-Ya.

### Jọn 10.9

Mu onwem bu ọnu-uzọ ahu: ọ buru na onye ọ bula esi na Mu ba, agāzọputa ya, ọ ganābata kwa nāpu kwa, nāhu kwa nri ọ gāta.

### Jọn 14.6

Jisus si ya, Mu onwem bu uzọ, na ezi-okwu, na ndu: ọ digh onye ọ bula nābiakute Nnam, ma-ọbugh site na Mu.

### Ndi-Hibru 5.9

Ebe emesiri Ya ka O zue okè, Ọ we ghọrọ ndi nile nāǹa Ya nti Onye nēwetara ha nzọputa ebigh-ebi.

### Ndi-Hibru 7.25

O site-kwa-ra na nka pu izọ-putachasi ndi nēsite n'aka Ya abiakute Chineke, ebe Ọ nādi ndu mḅe nile iriọ aririọ n'ihi ha.

### Ọlu ndi-ozi 4.12

Nzọputa adigh kwa n'onye ọ bula ọzọ: n'ihi na aha ọzọ di iche adigh kwa n'okpuru elu-igwe, nke enyeworo n'etiti madu, nke anā-ghagh izọputa ayi nime ya.

### Jọn 8.24

Ya mere M'siri unu, na unu gānwu na nmehie nile unu: n'ihi na ọ buru na unu ekwegh na Mu onwem bu Ya, unu gānwu na nmehie nile unu.

### Taitọs 2.14

Onye nyere Onwe-ya n'ihi ayi, ka Ọ we ḇaputa ayi n'imeḇi-iwu nile, sacha-kwa-ra Onwe-ya otù ndi nke gābu ndi nke aka Ya, ndi oḇi-ha nānuru ọlu ọma ọku.

### 1 Ndi Kọrint 1.30

Ma unu onwe-unu sitere na Ya di nime Kraist Jisus, Onye ghọrọ amam-ihe nye ayi site na Chineke, bú ezi omume, na ido-nsọ kwa, na nḇaputa.

### Ndi Kọlọsi 1.12-14

Nēkele Nna-ayi, Onye mere ka ayi rue iketa òkè-ayi n'ihe-nketa ndi nsọ n'ìhè; Onye dọputara ayi n'ike nke ọchichiri, we webiga ayi n'ala-eze nke Ọkpara nke ihu-n'anya-Ya; Onye ayi nwere nḇa-puta-ayi nime Ya, bú nḇaghara nmeḇie nile ayi.

### Nkpughe 5.9

Ha nābù kwa abù ọhu, si, I kwesiri inata akwukwọ ahu, na isaghe akàrà-ya: n'ihi na eḇuru Gi eḇu, I were kwa ọbara-Gi ḇatara Chineke madu si n'ebo nile ọ bula, na asusu nile ọ bula, na ndi nile ọ bula, na mba nile ọ bula, puta.

### Luk 19.10

N'ihi na Nwa nke madu biara ichọ na izọputa ihe nke furu efu.

**Ndi Efesọs 1.7**

Onye ayi sitere n'ọbara-Ya nwe nḇaputa-ayi nime Ya, bú nḇaghara nke ndahie nile ayi, dika àkù nke amara-Ya si di.

**1 Jọn 1.7**

Ma ọ buru na ayi ejeghari n'ìhè ahu, dika Ya onwe-ya nọ n'ìhè ahu, ayi nēnwekọrita ihe n'etiti onwe-ayi, ọbara Jisus, bú Ọkpara-Ya, nāsachapu kwa ayi nmehie nile.

**1 Pita 1.18, 19**

Ebe unu matara na ejigh ihe apuru imebi, bú ọla-ọcha ma-ọbu ọla-edo, ḇaputa unu n'ibi-obi efu unu nke nna-unu-hà nyere unu n'aka ibi; kama eji ọbara di oké ọnu-ahia, dika nke nwa-aturu nke ọlu ma-ọbu ntupọ nādigh ya n'aru, bú ọbara nke Kraist.

**Ndi-Hibru 9.14**

Ọbara Kraist, Onye sitere n'aka Mọ ebigh-ebi che Onwe-ya nātagh uta n'iru Chineke, gēsi aṅa ghara ime akọ-na-uche-ayi ka ọ di kari ọchá nke-uku ri nne pua n'ọlu nile nwuru anwu ikpere Chineke di ndu?

**Ndi Rom 5.9**

Ya mere nke kariri ri nne, ebe agusiri ayi na ndi ezi omume uḇu a nime ọbara-Ya, agāzọputa ayi n'iwe Chineke site n'aka-Ya.

### Ndi Galetia 5.6

N'ihi na nime Kraist Jisus ọ digh ike ọ bula obibì-úgwù ma-ọbu ebìgh-úgwù nwere; kama nke nwere ike bu okwukwe nke sitere n'aka ihu-n'anya alusi ọlu ike.

### Jọn 6.28, 29

Ya mere ha siri Ya, Gini kwe-siri ka ayi me, ka ayi we lua ọlu Chineke nile? Jisus zara, si ha, Nka bu ọlu Chineke, ka unu kwere n'Onye ahu Ya onwe-ya zitere.

### Jọn 20.31

Ma edewo ihe ndia n'akwukwọ, ka unu we kwere na Jisus bu Kraist ahu, Ọkpara Chineke; ka unu we nwe kwa ndu n'aha-Ya n'ihi na unu kwere.

### Ndi Rom 5.1

Ya mere ebe aguru ayi na ndi ezi omume site n'okwukwe, ayi na Chineke di n'udo site n'aka Onye-nwe-ayi Jisus Kraist.

### Ọlu ndi-ozi 16.31

Ha we si, Kwere n'Onye-nwe-ayi Jisus, agāzọputa kwa gi, gi onwe-gi na èzí-na-ulo-gi.

### Ndi Efesọs 2.8, 9

N'ihi na ọ bu amara ka ejiworo zọputa unu, site n'okwukwe; nka esitegh kwa n'onwe-unu: ọ bu onyinye Chineke: o sitegh n'ọlu, ka onye ọ bula we ghara inya isi.

# EBERE CHINEKE

### Abù ọma 108.4

N'ihi na ebere-Gi di uku kari elu nke elu-igwe, Ezi-okwu-Gi di kwa uku rue mbara-ígwé.

### Abù-ákwá 3.22, 23

O sitere n'ebere nile nke Jehova na emegh ka ayi gwusia, n'ihi na obi-ebere-Ya nile agwugh. Ha di ọhu kwa-ututu; ihe riri nne ka ikwesi-ntukwasi-obi-Gi bu.

### Taitọs 3.5

O sitegh n'ọlu di iche iche aluru n'ezi omume, nke ayi onwe-ayi luru, zọputa ayi, kama dika ebere-Ya si di, site n'ọsisa nke imu-ọzọ na nke ime ọhu nke Mọ Nsọ nēme.

### Maika 7.18

Ònye bu Chineke dika Gi, Nke nēbupu ajọ omume, nāgabiga kwa njehie nke diri ndi ala-nketa-Ya fọduru? O jigidegh iwe-Ya rue mbe ebigh-ebi, n'ihi na onye ebere nātọ utọ ka Ọ bu.

### Abù ọma 103.11

N'ihi na dika idi-elu nke elu-igwe si di n'elu uwa, Otú a ka ebere-Ya di ike n'aru ndi nātu egwu Ya.

### Abù ọma 103.17

Ma ebere nke Jehova nēsi na mbe ebigh-ebi we rue mbe ebigh-ebi n'aru ndi nātu egwu Ya, Ezi omume-Ya di-kwa-ra umu umu.

### Matiu 11.28

Biakutenum, unu nile ndi nādọḇu onwe-unu n'ọlu, ndi ebowokwa-ra ibu di aró, Mu onwem gēme kwa ka unu zuru ike.

### Jọn 7.37

Ma n'ubọchi ikpe-azu, bú oké ubọchi nke ememe ahu, Jisus guzoro, we tie nkpu, si, Ọ buru na akpiri kpọrọ madu ọ bula nku, ya biakutem, ṅua miri.

### Aisaia 1.18

Biko bianu, ka ayi rurita uka, bú ihe Jehova nāsi: ọ buru na nmehie-unu adi ka uwe uhie, ọ bu dika snow ka ha gādi ọcha; ọ buru na ha acha uhie uhie dika ogho uhie, ọ bu dika aji ọcha ka ha gādi.

### Aisaia 55.1

Ge nti, onye ọ bula nke akpiri nākpọ nku, bianu na miri, onye ahu kwa nke nēnwegh ego; bianu, zuru ọka, rie; e, bianu, zuru kwa manya-vine na miri-ara-ehi nējigh ego nārùgh ọnu-ahia.

### Nkpughe 22.17

Mọ Nsọ na nwayi ahu anālu ọhu nāsi kwa, Bia. Onye nānu, ya si kwa, Bia. Onye akpiri nākpọ kwa nku, ya bia: onye nāchọ, ya nara miri nke ndu ahu n'efù.

### 1 Jọn 3.10

Nime nka ka umu Chineke bu ndi emeworo ka ha puta ìhè, ha na umu ekwensu: onye ọ bula nke nādigh-eme ezi omume esigh na Chineke puta, onye nke nādigh-ahu nwa-nna-ya n'anya esigh kwa na Ya puta.

### Ndi Rom 8.14

N'ihi na ka ha ra, bú ndi Mọ Chineke nēdú, ndi ahu bu umu-ndikom Chineke.

### 2 Ndi Kọrint 6.17, 18

N'ihi nka Sinu n'etiti ha puta, guzo-kwa-nu iche, ka Onye-nwe-ayi kwuru, Unu emetu-kwa-la ihe nādigh ọcha aka; Mu onwem gā-kpọbata kwa unu, Buru kwa unu Nna, Unu onwe-unu gābu-kwa-ram umu-ndikom na umu-ndi-nyom, ka Onye-nwe-ayi kwuru, Nke puru ime ihe nile.

### Ndi Filipai 2.15

Ka unu we ghọ ndi nādigh ita uta ndi nāghọgh kwa aghughọ, umu Chineke ndi anāpugh ita uta n'etiti ọḇọ ḇagọrọ aḇagọ nke nē-nwe kwa anya-uhie, ndi anāhu unu n'etiti ha dika ndi nēnye ìhè n'uwa.

### Jọn 1.12

Ma ka ha ra, bú ndi nara Ya, ha ka Ọ nyere ike ighọ umu Chineke, bú ndi kwere n'aha-Ya.

# IHE CHINEKE NĒKWU BAYERE IHE-ỌŃỤŃỤ NĀBÀ N'ANYA

### Ilu 20.1

Onye nākwa emò ka manya-vine bu, onye-nkpọtu ka ihe-ọńu-ńu nke nābà n'anya bu; Onye ọ bula nke nāwaghari site na ya amagh ihe.

### Aisaia 5.11

Ahuhu gādiri ndi nēbili n'isi-ututu ịḇaso ihe-ọńuńu nābà n'a-nya; ndi nānọ ogologo mḇe n'a-nyasi, manya-vine ewe me ka aru nwuru ha ọku.

### Ndi Galetia 5.19-21

Ma ọlu nile nke anu-aru putara ìhè, nke di ka ndia, ikwa-iko, adigh-ọcha, agu ikwa-iko, ikpere-arusi, igwọ-ńsí, ibu-iro, esem-okwu, ekworo, ọnuma, ikpa-iche-iche, nkewa, irọ-òtù, ikpọ-asì, ińu-biga-manya-ókè, ite-egwú, na ihe yiri ihe ndia: nke m'buru uzọ gwa unu, dika m'buru uzọ gwa unu n'oge gara aga, na ndi nēme ihe di otú a agagh-eketa ala-eze Chineke.

### Ndi Rom 13.13, 14

Ka ayi nējeghari dika ọ kwesiri ayi, dika n'ehihie; ọ bugh n'ite-egwú na ińubiga-manya-ókè, ọ bugh n'ikwa-iko na agu ikwa-iko, o bugh n'esem-okwu na ekworo. Kama yikwasinu Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, unu ebu-kwa-la uzọ nēchère aru, ime ihe ọjọ nāgu ya.

### Matiu 22.37, 38

Ọ si ya, I gēwere obi-gi dum, were kwa nkpuru-obi-gi dum, were kwa uche-gi dum, hu Onye-nwe-ayi Chineke-gi n'anya. Nka bu ihe uku na ihe mbu enyere n'iwu.

### Mak 10.17-22

Mḇe Ọ nāpu n'uzọ, otù onye we ḇakuru Ya, ḇuru Ya ikperè, jua Ya, si, Ezi Onye-ozizí, gini ka m'gēme ka m'we keta ndu ebigh-ebi? Ma Jisus siri ya, Gini mere i nākpọm ezi onye? ọ digh onye ọ bula bu ezi onye ma-ọbugh otù Onye, bú Chineke. I matawo ihe nile enyere n'iwu, Eḇula madu, Akwala iko, Ezula ori, Aḇala àmà ugha, Emeḇula madu, Sọpuru nna-gi na nne-gi. Ma ọ siri Ya, Onye-ozizí, ihe ndia nile ka m'ribara ama site n'oko-rọbia. Ma mḇe Jisus lere ya anya Ọ hu ya n'anya, si ya, Otù ihe fọduru gi ime: laba, re ka ihe i nwere ra, nye ndi-oḇeye, i gēnwe kwa àkù n'elu-igwe: bia kwa, som. Ma iru-ya ḇaruru n'okwu a, ọ we la na nwuta: n'ihi na ọ bu onye nwere ihe ri nne.

### Ilu 16.25

Uzọ di nke ziri ezi n'iru madu, Ma nsọtu-ya bu uzọ nile nke ọnwu.

### Ndi Galetia 6.3

N'ihi na asi na madu nēchè na ya bu ihe, mḇe ọ nābugh ihe ọ bula, ọ nāghọ onwe-ya aghughọ n'obi.

### Ndi Efesọs 5.6

Unu ekwela ka onye ọ bula were okwu efu rafue unu: n'ihi na ọ bu n'ihi ihe ndia ka iwe Chineke nābiakwasi umu nke ekweyegh-ekweye.

### 1 Ndi Kọrint 6.9,10

Ma-ọbu ùnu amatagh na ndi ajọ omume agagh-eketa ala-eze Chineke? Unu ekwela ka eduhie unu: ndi nākwa iko, ma-ọbu ndi nēkpere arusi, ma-ọbu ndikom nākwa iko, bú ndi nwere nwunye, ma-ọbu ndikom nēme dika ndinyom, ma-ọbu ndikom nēmeru onwe-ha n'aru ndikom, ma-ọbu ndi-ori, ma-ọbu ndi-anya-uku, ma-ọbu ndi nāñubiga manya ókè, ma-ọbu ndi-nkwutọ, ma-ọbu ndi nāpunara madu ihe, ha agagheketa ala-eze Chineke.

### 1 Jọn 3.7, 8a

Umu-ntakirim, unu ekwela ka onye ọ bula duhie unu: onye nēme ezi omume bu onye ezi omume, dika Ya onwe-ya bu onye ezi omume: onye nēme nmehie si n'ekwensu puta; n'ihi na ẹkwensu nēmehie site na mbu.

## Ndi Rom 8.6

N'ihi na itukwasi uche n'anu-aru bu ọnwu; ma itukwasi uche na Mọ Nsọ bu ndu na udo.

## Ilu 11.19

Onye nēguzosi ike n'ezi omume gēru na ndu: Ma onye nāḇaso ihe ọjọ gēru n'ọnwu nke aka ya.

## Jemes 1.15

Mḇe ahu agu ihe ọjọ ahu, mḇe ọ tuworo ime, ọ we muputa nmehie: nmehie ahu, mḇe o tozuru okè, ọ we muputa ọnwu.

## Ezikiel 18.20

Nkpuru-obi ahu nke nēmehie, ya onwe-ya gānwu: nwa agagh-ebu ufọdu n'ajọ omume nna-ya, nna agagh-ebu kwa ufọdu n'ajọ omume nwa-ya; ezi omume nke onye ezi omume gādi n'isi ya, nmebi-iwu nke onye nēmebi iwu gādi kwa n'isi ya.

## Luk 15.32

Ma ayi aghagh ime ka obi tọ ayi utọ na iṅuri ọṅu: n'ihi na nwa-nne-gi nka nwururi anwu, ọ we di ndu ọzọ; o fu-kwa-ra efu, ewe hu ya.

## Ndi Rom 5.12

N'ihi nka, dika nmehie si n'aka otù madu ba n'uwa, dika ọnwu si n'aka nmehie ba kwa; ọnwu we si otú a gabiga rue madu nile, n'ihi na madu nile mehiere.

### Luk 7.14, 15a

Ọ we biaru nso, metu ib̰e ozu ahu aka: ndi nēbu ya we guzo. Ọ we si, Nwa-okorọbia, gi ka M'nāsi, Bilie. Onye ahu nke nwuru anwu we nọlie, malite ikwu okwu.

### Jọn 10.17, 18

N'ihi nka ka Nnam nāhum n'anya, n'ihi na Mu onwem nātọb̰ọ ndum, ka M'we nara ya ọzọ. Ọ digh onye ọ bula nānapum ya, kama Mu onwem nātọb̰ọ ya n'Onwem. Enwerem ike itọb̰ọ ya, enwe-kwa-ram ike inara ya ọzọ. Ihe a enyere n'iwu ka M'natara n'aka Nnam.

### Nkpughe 1.18

Buru kwa Onye ahu nādi ndu; aghọ-kwa-ram onye nwuru anwu, ma le, anamadi ndu rue mb̰e nile ebigh-ebi, enwe-kwa-ram nkpisi-ugodi nile nke ọnwu na nke Hedis.

### Jọn 11.43, 44

Ma mb̰e O kwusiri ihe ndia, Ọ were oké olu ti nkpu, si, Lazarọs, puta n'èzí. Onye nwururi anwu putara, ewereworí ákwàozu ke ya ukwu na aka; were kwa ichafọ kechie ya iru. Jisus si ha, Tọpunu ya, ghara kwa ya ka ọ la.

### Deuteronomi 5.7-21

Gi enwela chi ọzọ tiyerem.

Gi emerela onwe-gi arusi apiri api, bú oyiyi nke udi ọ bula nke di n'elu-igwe n'elu, ma-ọbu nke di n'uwa n'okpuru ya, ma-ọbu nke di na miri n'okpuru uwa: gi akpọla isi ala nye ha, efè-kwa-la ha òfùfè. . .

Gi eburula aha Jehova, bú Chineke-gi, ime ihe efu; n'ihi na Jehova agagh-agu onye nēburu aha-Ya ime ihe efu n'onye ikpé nāmagh.

Debe ubọchi-izu-ike, ido ya nsọ, dika Jehova, bú Chineke-gi, nyere gi iwu. Ubọchi isi ka i gā-lu ọlu, je ozi-gi nile: ma ubọchi nke-asa bu ubọchi-izu-ike nke Jehova, bú Chineke-gi, nwere. . .

Sọpuru nna-gi na nne-gi, dika Jehova, bú Chineke-gi, nyere gi iwu. . .

Gi ebula madu.

Gi akwa-kwa-la iko.

Gi ezu-kwa-la ori.

Gi aba-kwa-la àmà ugha megide madu-ibe-gi.

Gi enwe-kwa-la anya-uku n'ebe nwunye madu-ibe-gi nọ; agu ulo madu-ibe-gi agu-kwa-la gi, ma-ọbu ubi-ya, ma-ọbu orù-ya nwoke, ma-ọbu orù-ya nwayi, ma-ọbu ehi-ya, ma-ọbu inyinya-ibu-ya, ma-ọbu ihe ọ bula nke madu-ibe-gi nwere.

**Ilu 15.3**

N'ebe nile ọ bula ka anya abua nke Jehova di, Nēche ndi ọjọ na ndi bu ezi madu nche.

**Jeremaia 23.24**

Ọ̀ di onye ọ bula gēzobe onweya n'ebe ọ bula di nzuzo, Mu onwem we ghara ihu ya anya? ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta. Ọ̀ bugh elu-igwe na uwa ka M'juputara? ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta.

**Abù ọma 139.8 na 12**

Ọ buru na arigom n'elu-igwe, n'ebe ahu ka I nọ: Ọ buru kwa na aḇasam utem n'ala-mọ, le, I nọ n'ebe ahu. . . Ọbuná ọchichiri adigh-aḇachiri Gi; Ma abali nēnye ìhè dika ehihie: Dika ọchichiri si di, otú a ka ìhè di n'anya-Gi.

**Luk 8.17**

N'ihi na ọ digh ihe ezoro ezo, nke anāgagh-eme ka ọ puta ìhè; ọ digh kwa ihe di nzuzo, nke anāgagh-ama me kwa ka ọ puta ìhè.

**Job 34.21, 22**

N'ihi na anya-Ya dikwasi uzọ nile nke madu, Nzọ-ukwu-ya nile ka Ọ nāhu kwa. Ọ digh ọchichiri di, ọ digh kwa onyinyo ọnwu di, Ebe ndi nālu ajọ ihe gēzo onwe-ha.

# AHỤHỤ EBIGH-EBI NKE NDỊ NĀDỊGH-ASỌPỤRỤ CHINEKE

### Nkpughe 20.15

Ọ buru kwa na ahugh onye ọ bula ka edereri aha-ya n'akwukwọ nke ndu ahu, ewe tubà ya n'ọdọ ọku ahu.

### 2 Pita 3.7

Ma elu-igwe nke di ubu a, ha na uwa, ka akpadaworo nye ọku site n'otù okwu ahu, ebe anēdebe ha nye ubọchi nke ikpé na ila-n'iyì nke ndi nādigh-asọpuru Chineke.

### Matiu 13.41, 42

Nwa nke madu gēzipu ndi-mọ-ozi-Ya, ha gāchikọputa n'ala-eze-Ya ihe nile nēme ka ama n'ọnyà, na ndi nēme ihe nēmebi iwu, ha gātubà kwa ha n'oké ọku ahu: n'ebe ahu ka ikwa-ákwá na ita-ikekere-ezé ahu gādi.

### Matiu 18.8

Ma ọ buru na aka-gi ma-ọbu ukwu-gi eme gi ka i ma n'ọnyà, bipu ya, tupu kwa ya n'aru-gi: ọ di gi nma ibà na ndu n'ọlusi ma-ọbu na ngwurọ, kari inwe aka abua ma-ọbu ukwu abua a-tubà i n'ọku ebigh-ebi.

### Abù ọma 9.17

Ndi nēmebi iwu gālaghachi n'alamọ, Bú mba nile ndi nēche-zọ Chineke.

### Ndi-Hibru 9.27

Dika ọ bu kwa ihe edebeworo madu ka ha nwua anwu nání otù mbe, ma mbe nka gasiri ikpé eso ya.

### 2 Pita 2.9

Onye-nwe-ayi matara idọputa ha n'onwunwa, bú ndi nāsọpuru Chineke, na idebe ndi ajọ omume n'ahuhu-nmehie rue ubọchi ikpé.

### 2 Ndi Kọrint 5.10

N'ihi na aghagh ime ka ayi nile puta ìhè n'iru oche-ikpé Kraist; ka ayi nile n'otù n'otù we nāghachi íhe esitere n'aru me, dika ihe onye ọ bula mere si di, ma ọ bu ezi ihe ma-ọbu ihe nādigh nma.

### 1 Jọn 4.17

Nime nka ka emeworo ka ihu-n'anya zu okè n'akuku ayi, ka ayi we nwe nkwuwa-okwu n'ubọchi ikpé ahu; n'ihi na dika Ya onwe-ya di, ayi onwe-ayi di kwa otú a n'uwa nka.

### Ọlu ndi-ozi 17.31

Ebe Ọ debeworo otù ubọchi, nke Ọ gēkpe elu-uwa dum madu bi ikpé n'ezi omume nime ya site n'aka otù Nwoke Ọ kara àkà; Ọ nye-kwa-ra madu nile ihe ha gēji kwere nka, ebe Ọ mere ka O si na ndi nwuru anwu bilie.

**1 Pita 5.5b**

. . . Chineke nēdo Onwe-ya imegide ndi-npako, ma Ọ nēnye ndi di ume-ala n'obi amara.

**2 Ndi Kọrint 8.9**

N'ihi na unu mara amara nke Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, na, ọ bu ezie na Ọ bu ọgaranya, ma Ọ ghọrọ oḇeye n'ihi unu, ka unu onwe-unu we were oḇeye-Ya ghọ ndi-ọgaranya.

**2 Ndi Kọrint 9.15**

Ekele diri Chineke n'ihi onyinye-Ya nke anāpugh ikọ akukọ ya.

**Ndi Rom 5.15**

Ma dika ndahie ahu si di, ọ bugh otú a ka onyinye-amara si di kwa. N'ihi na asi na ọra madu nwuru site na ndahie nke otù onye ahu, amara Chineke, na onyinye ahu nke di nime amara nke otù Madu ahu, Jisus Kraist, babigara ókè kari ri nne rue ọra madu.

**Ndi Rom 9.16**

Ya mere otú a ọ bugh nke onye nāchọ, ọ bugh kwa nke onye nāḇa ọsọ, kama ọ bu nke Onye ahu Nke nēme ebere, bú Chineke.

**Ọlu ndi-ozi 4.33**

Ọ bu kwa ike uku ka ndi-ozi ji aḇa àmà-ha bayere nbilite-n'ọnwu nke Onye-nwe-ayi Jisus: oké amara dikwasi-kwa-ra ha nile.

Luk 15.7

Asim unu, na otú a ọńù gādi n'elu-igwe n'isi otù onye-nmehie nke nēchègħari, kari n'isi ọgu ndi ezi omume anọ na iri na iteghete, ndi nchègħari nādigh nkpà.

Ọlu ndi-ozi 2.38

Pita we si ha, Chègħarianu, ka eme kwa unu nile baptism n'otù n'otù n'aha Jisus Kraist ka ewe ḇaghara nmħie nile unu; unu gānata kwa onyinye a, bú Mọ Nsọ.

Luk 13.3

Asim unu, É-è: kama, ọ buru na unu echègħarigh, unu nile gā-la n'iyì otú aħu.

Ọlu ndi-ozi 17.30

Ya mere Chineke lefuru oge nile nke amagh-ihe anya; ma uḇu a Ọ nāgwa madu ka ha nile chègħaria n'ebe nile.

Ọlu ndi-ozi 3.19

Ya mere chègħarianu, chigħa-ri-kwa-nu, ka ewe hichapu nme-hie nile unu, ka oge inwe ume ndu we si n'iru Onye-nwe-ayi bia otú a.

2 Ndi Kọrint 7.10

N'ihi na nwuta dika Chineke chọrọ nālu ọlu nchègħari rue nzọputa, bú nchègħari nke anā-pugh ikwa uta bayere ya: ma nwuta nke uwa nāluputa ọnwu.

### Ezikiel 18.21

Ma onye nēmebi iwu, mb̤e o gēsi na nmehie-ya nile nke ọ meworo chigharia, debe ukpurum nile, me ihe ekpere n'ikpe na ezi omume, ọ ghagh idi ndu, ọ gagh-anwu.

### Ọlu ndi-ozi 5.31

Onye ahu ka Chineke were aka-nri-Ya welie elu ibu Onye-ndú na Onye-nzọputa, inye Israel nchèghari na nb̤aghara nmehie.

### Nkpughe 3.20

Le, anameguzo n'ọnu-uzọ, nāku kwa aka: ọ buru na onye ọ bula anu olum, meghe kwa uzọ, M'gābakute ya, so kwa ya ri nri-anyasi, ya onwe-ya gēsokwam rie.

### Mak 2.5

Mb̤e Jisus huru okwukwe-ha Ọ si onye ahu akuku-aru-ya nwuru anwu, Nwa, anāb̤aghara gi nmehie-gi nile.

### Ọlu ndi-ozi 13.38

Ya mere maranu nka, umunnem, na anēsite n'ọnu Onye a kwusa nb̤aghara nmehie nile nye unu.

### Aisaia 55.7

Onye nēmebi iwu, ya rapu uzọ-ya, onye nēme ajọ ihe, ya rapu èchìchè-ya nile: ya laghachikute kwa Jehova, Ọ gēnwe kwa obi-ebere n'aru ya; ya laghachikute kwa Chineke-ayi, n'ihi na Ọ gāb̤aghara ya nmehie-ya n'uba.

### Aisaia 1.16

Sanu aru, menu onwe-unu ka unu di ọcha; wezuganu ihe ọjọ nke omume-unu nile n'iru anyam abua rapunu ime ihe ọjọ.

### Ndi Efesọs 5.11

Unu esola ọlu nke ọchichiri nke nāmigh nkpuru nēnwekọ ihe, ma kama nke ahu nātu-kwa-nu ha nmehie-ha n'anya.

### Taitọs 2.11, 12

N'ihi na egosiri amara nke Chineke, nēwetara madu nile nzọputa, nādọ ayi aka na nti ka ayi we ju asọpugh-Chineke na agu ihe ọjọ di n'uwa, we di ndu uche zuru okè na nke ezi omume na nke isọpuru-Chineke n'oge di ub̄u a.

### Ndi Kọlọsi 3.2

Tukwasinu uche n'ihe di n'elu, ọ bugh n'ihe di n'elu uwa.

### 1 Jọn 2.15, 16

Unu ahula uwa, ma-ọbu ihe nke di n'uwa, n'anya. Ọ buru na onye ọ bula ahú uwa n'anya, ihu-n'anya nke Nna-ayi adigh nime ya. N'ihi na ihe nile nke di n'uwa, bú agu ihe ọjọ nke anu-aru, na agu ihe ọjọ nke anya, na oké-okwu nke ibi-obi, esitegh na Nna-ayi, kama o sitere n'uwa.

## Jọn 3.3

Jisus zara, si ya, N'ezie, n'ezie, asim i, Ọ buru na amugh madu ọzọ, ọ pugh ihu ala-eze Chineke anya.

## 1 Jọn 2.29

Ọ buru na unu matara na Ọ bu onye ezi omume, unu mara na onye ọ bula nke nēme ezi omume bu kwa onye amuworo site na Ya.

## 1 Jọn 5.18

Ayi matara na onye ọ bula nke amuworo site na Chineke adigh-emehie; kama Onye ahu Nke amuru Ya site na Chineke nēde-be ya, ajọ onye ahu adigh-emetu kwa ya aka.

## Ezikiel 36.26

M'gēnye kwa unu obi ọhu, ọ bu kwa mọ ọhu ka M'gētiye nime unu: M'gēwezuga kwa obi nkume n'anu-aru-unu, nye unu obi nke bu anu-aru.

## 2 Ndi Kọrint 5.17

Ya mere ọ buru na onye ọ bula di nime Kraist, ọ bu onye ekère ọhu: ihe ochie agasiwo; le, ha aghọwo ihe ọhu.

## 1 Pita 1.23

Ebe amuworo unu ọzọ, esitegh na nkpuru apuru imebi, kama esitere na nke anāpugh imebi, site n'okwu Chineke, nke di ndu, nke nādigide kwa, mu unu ọzọ.

### Ndi Rom 6.2 na 11

Ayi onwe-ayi, bú ndi nwuru n'ebe nmehie di, àyi gēsi aṅa nādi ndu ọzọ nime ya? . . . Otú a unu onwe-unu, nāgu-kwa-nu na unu onwe-unu bu ndi nwuru anwu n'ebe nmehie di, ma na unu nādi ndu nime Kraist Jisus n'ebe Chineke nọ.

### Ndi Galetia 5.24

Ma ndi nke Kraist-ayi Jisus kpọgidere anu-aru-ha n'obe, ya na ọchichọ ọjọ nile na agu ihe ọjọ nilẹ di ya.

### 1 Pita 2.24

Onye Ya onwe-ya, dika àjà achuru, būru nmehie nile ayi n'aru-Ya n'elu osisi ahu, ka ayi, ebe ayi nwuworo n'ebe nmehie nile di, ka ayi we di ndu n'ebe ezi omume di; Onye eji ọnyá-utari-Ya me ka unu nwe ezi ndu.

### Ndi Kọlọsi 3.1

Ya mere, ọ buru na unu soro Kraist-ayi bilikọ, nāchọnu ihe di n'elu, ebe Kraist-ayi nọ, nānọdu n'akanri Chineke.

### Ndi Efesọs 2.1 na 6

Unu onwe-unu ka Ọ me-kwa-ra ka unu di ndu, mḅe unu nọ n'ọnwu site na ndahie nile unu na nmehie nile unu. . . me kwa ka ayi so Ya si n'ọnwu bilikọ, me kwa ka ayi so Ya noduko n'ebe di n'elu-igwe, nime Kraist Jisus.

### Jọn 17.3

Ma nka bu ndu ebigh-ebi ahu, ka ha mara Gi, Nke náni Gi bu ezi Chineke, mara kwa Onye I zitere, bú Jisus Kraist.

### Jọn 3.14, 15

Ma dika Moses weliri agwọ n'ọhia, ọbuná otú a aghagh iweli Nwa nke madu elu: ka onye ọ bula nke kwere we nwe ndu ebigh-ebi na Ya.

### Jọn 5.24

N'ezie, n'ezie, asim unu, Onye nānu okwum, nke nēkwere kwa Onye ziterem, ọ nwere ndu ebigh-ebi, ọ biagh kwa n'ikpé, kama o sitewo n'ọnwu ba na ndu.

### Ndi Rom 6.23

N'ihi na ugwọ-ọlu nke nmehie bu ọnwu; ma onyinye-amara nke Chineke bu ndu ebigh-ebi nime Kraist Jisus Onye-nwe-ayi.

### Jọn 3.36

Onye kwere n'Ọkpara ahu nwe-re ndu ebigh-ebi; ma onye nēkwe-yegh Ọkpara ahu agagh-ahu ndu, kama iwe Chineke nānọgide n'a-ru-ya.

### Ndi Galetia 6.8

N'ihi na onye nāgha nkpuru nye anu-aru onwe-ya gēsite n'anu-aru ahu weta nmebi dika ihe-ubi; ma onye nāgha nkpuru nye Mọ Nsọ gēsite na Mọ Nsọ weta ndu ebigh-ebi dika ihe-ubi.

### Jọn 14.21

Onye nwere ihe M'nyere n'iwu, nke nēdebe kwa ha, ọ bu onye ahu nāhum n'anya: onye nāhum n'anya, Nnam gāhu kwa ya n'anya, Mu onwem gāhu kwa ya n'anya, were kwa Onwem gosi ya.

### Ndi Galetia 4.6

Ma n'ihi na unu bu umu-ndikom, Chineke ziputara Mọ nke Ọkpara-Ya ba nime obi-ayi, nēti nkpu, si, Aba, Nna.

### Aisaia 32.17

Ihe ezi omume ahu gāluputa bu udo; ihe nke gēsi n'òfùfè ezi omume ahu puta bu kwa inọ-jū na ntukwasi-obi rue mbe ebighebi.

### 1 Jọn 4.13

Nime nka ka ayi mara na ayi nānọgide nime Ya, na Ya onweya nānọgide kwa nime ayi, n'ihi na Ọ nyewo ayi ufọdu nime Mọ nke Ya.

### 1 Jọn 3.18, 19

Umu-ntakirim, ka ayi ghara ihu n'anya n'okwu, ma-ọbu n'ire; kama ka ayi nāhu n'anya n'ọlu na ezi-okwu. Nime nka ka ayi gāmara na ayi bu ndi nke ezi-okwu ahu, me kwa ka obi-ayi kweye ekweye n'iru Ya.

### Jọn 17.13

Ma anamabiakute Gi uḇu a; okwu ndia ka M'nēkwu kwa n'uwa, ka ha we nwe ọṅùm ka o zuworo nime onwe-ha.

### Aisaia 12.3

Unu gēji kwa obi-utọ seputa miri n'isi-iyi nile nke nzọputa.

### Ndi Rom 14.17

N'ihi na ala-eze Chineke abugh oriri na ọṅuṅu, kama ọ bu ezi omume na udo na ọnù nime Mọ Nsọ.

### Ndi Galetia 2.20

Akpọgidekọwo mu na Kraist n'obe; ọ bugh kwa mu onwem nādi ndu ọzọ, kama ọ bu Kraist nādi ndu nimem: ma ndu ahu m'nādi n'anu-aru uḇu a, anamadi ya n'okwukwe, bú nke m'kwere n'Ọkpara Chineke, Onye hurum n'anya, rara kwa Onwe-ya nye n'ihim.

### Abù ọma 16.11

I gēme ka m'mara uzọ ndu: Ojuju-afọ ọṅù di n'iru Gi; E! utọ di iche iche di n'aka-nri-Gi ebigh-ebi.

### Jọn 15.11

Ihe ndia ka M'gwaworo unu, ka ọṅùm we di nime unu, ka ọṅù-unu we zu kwa.

### Ndi Efesọs 3.17a

Ka Kraist we site n'okwukwe-unu bigide nime obi-unu. . .

**1 Samuel 12.15**

Ma ọ buru na unu egegh nti olu Jehova, kama unu nānupu isi n'okwu-ọnu Jehova, aka Jehova gādi kwa imegide unu, otú ọ di imegide nna-unu-hà.

**Deuteronomi 11.26-28a**

Le, mu onwem nētiye n'iru unu ta ngọzi na nkọcha; ngọzi ahu, ma asi na unu ege nti ihe nile Jehova, bú Chineke-unu, nyere n'iwu, bú nke mu onwem nēnye unu n'iwu ta: ma nkọcha ahu, ma ọ buru na unu egegh nti ihe nile Jehova, bú Chineke-unu. . .

**2 Ndi Tesalọnaika 1.7, 8**

Na inyeghachi unu, bú ndi anākpaḇu, aru-efè, ayi na unu, nime nkpughe nke Onye-nwe-ayi Jisus site n'elu-igwe, Ya na ndi-mọ-ozi nke ike-Ya, nime ọku nēre ere, nābọ ọbọ n'aru ndi nāmatagh Chineke, ha na ndi nāṅagh nti ozi ọma nke Onye-nwe-ayi Jisus.

**Ndi Rom 6.16**

Ùnu amatagh na onye unu nēche onwe-unu n'iru ya ka unu buru ndi-orù iṅa ya nti, unu bu ndi-orù nke onye ahu unu nāṅa nti ya; ma-ọbu nke nmehie nēweta ọnwu, ma-ọbu nke iṅa-nti nēweta ezi omume?

## Matiu 10.32, 33

Ya mere, onye ọ bula nke gē-kwuputam n'iru madu, ya ka Mu onwem gēkwuputa kwa n'iru Nṅam Nke bi n'elu-igwe. Ma onye ọ bula nke gāgọnarim n'iru madu, ya ka Mu onwem gāgọnari kwa n'iru Nnam Nke bi n'elu-igwe.

## Ndi Rom 10.9, 10

Na ọ buru na i gēwere ọnu-gi kwuputa Jisus na Ọ bu Onye-nwe-ayi, ọ buru kwa na i gēwere obi-gi kwere na Chineke mere ka O si na ndi nwuru anwu bilie, agāzọputa gi: n'ihi na anēji obi kwere rue ezi omume; anēji kwa ọnu kwuputa rue nzọputa.

## 1 Jọn 2.23

Onye ọ bula nke nāgọnari Ọ-kpara ahu, ọ nwegh kwa Nna ahu: onye nēkwuputa Ọkpara ahu, ọ nwe-kwa-ra Nna ahu.

## Ndi Filipai 2.11

Ka ire nile ọ bula we kwuputa kwa na Jisus Kraist bu Onye-nwe-ayi, ka ewe nye Chineke, bú Nna, otuto.

## Luk 9.26

N'ihi na onye ọ bula ihere Mu onwem na okwum nile gēme, ihe-re onye ahu gēme Nwa nke ma-du, mḅe Ọ gābia n'ebube nke aka Ya, na ebube nke Nna-Ya, na ebube nke ndi-mọ-ozi-Ya di nsọ.

### Ọlu ndi-ozi 26.18

Isaghe anya-ha, ka ha we si n'ọchichiri chigharia ba n'ìhè, si kwa n'ike Setan chigharikute Chineke, ka ha we nara nḇaghara nmehie nile na ihe-nketa n'etiti ndi edoworo nsọ site n'ikwere na Mu.

### 1 Pita 5.8

Nwenu anya-udo, nēchenu nche: onye ahu nke nēkuru unu ga ikpé, bú ekwensu, dika ọdum nāḇọ uja ọ néjeghari, nāchọ onye o gēlomi.

### Matiu 4.1 na 10, 11

Mḇe ahu Mọ Nsọ duru Jisus rigo n'ọhia ka ekwensu we nwa Ya. . . Mḇe ahu Jisus siri ya, Laba, Setan: n'ihi na edewo ya n'akwukwọ nsọ, si, Onye-nwe-ayi Chineke-gi ka i gākpọ isi ala nye, ọ bu kwa nání Ya ka i gēkpere. Mḇe ahu ekwensu rapu Ya; ma le, ndi-mọ-ozi biakutere Ya nējere Ya ozi.

### 2 Ndi Tesalọnaika 2.9

Bú onye ahu, nke ọbibia-ya di ka ilusi-ọlu-ike nke Setan n'ike nile ọ bula na ihe-iriba-ama di iche iche na ọlu-ebube di iche iche nke ugha.

### Ndi Efesọs 6.11

Yikwasinu ihe-agha nile nke Chineke, ka unu we pu iguzogide ihe nile ekwensu nēzuputa.

### 2 Ndi Tesalọnaika 2.8

Mḇe ahu ka agēkpughe kwa onye ahu nēmebi iwu, onye Onyenwe-ayi Jisus gēwere iku-ume nke si n'ọnu-Ya puta ḇue, were kwa ngosi nke ọbibia-Ya me ka ọ ghara idi irè.

### 1 Jọn 3.8

Onye nēme nmehie si n'ekwensu puta; n'ihi na ekwensu nēmehie site na mbu.

### Ndi Rom 8.35 na 37

Ònye gēkewapu ayi n'ihu-n'anya nke Kraist? Ọ bu nkpaḇu, ma-ọbu oké nkpà, ma-ọbu nsoḇu, ma-ọbu oké unwu, ma-ọbu iḇaọtọ, ma-ọbu ize-ndu, ma-ọbu mma-agha? . . . É-è, kama n'ihe ndia nile ayi nēmeribiga ókè site n'aka Onye ahu Nke huru ayi n'anya.

### Jemes 4.7, 8a

Ya mere donu onwe-unu n'okpuru Chineke; ma guzogidenu ekwensu, ọ gāḇapu kwa n'ebe unu nọ. Biarunu Chineke nso, Ọ gābiaru kwa unu nso.

### Ndi-Hibru 2.14

Ya mere ebe umu-ntakiri ahu bu ndi nēnwekọ anu-aru na ọbara, Ya onwe-ya n'otù uzọ ahu keta-kwa-ra ihe ndia; ka Ọ we site n'ọnwu me ka onye ahu ghara idi irè, bú onye nwere ike nke ọnwu, ya bu ekwensu.

# IHỤ-N'ANYA, NNWAPỤTA NKE NDỊ NĒSO ỤZỌ KRAIST

**Jọn 13.35**

Mađu nile gēji nka mara na unu bu ndi nēso uzọm, ọ buru na unu enwerita ihu-n'anya n'ebe ibe-unu nọ.

**1 Jọn 3.14**

Ayi onwe-ayi matara na ayi esitewo n'ọnwu ba na ndu, n'ihi na ayi nāhu umu-nna-ayi n'anya. Onye nādigh-ahu n'anya nānọgide n'ọnwu.

**1 Jọn 4.20**

Ọ buru na onye ọ bula gāsi, Anamahu Chineke n'anya, ma ọ nākpọ nwa-nne-ya asì, ọ bu onye-ugha: n'ihi na onye nādigh-ahu nwa-nna-ya n'anya, bú onye ọ huworo, ọ pugh ihu Chineke n'anya, bú Onye ọ nāhugh mḅe ọ bula.

**Ndi Galetia 5.22, 23a**

Ma nkpuru nke Mọ Nsọ bu ihu-n'anya, ọṅù, udo, ogologo-ntachi-obi, obi-ọma, idi-nma, ikwesi-ntukwasi-obi, idi-nwayọ, imerū-ihe-n'ókè.

**1 Ndi Kọrint 13.1**

Asi na ejim asusu di iche iche nke mạdu na nke ndi-mọ-ozi nēkwu okwu, ma enweghm ihu-n'anya, aghọwom ọla nāra ara, maọbu ájà ọla nāda udà.

### Ndi Rom 4.25

Onye arara Ya nye n'ihi ndahie-ayi nile, ewe me ka O si n'ọnwu bilie n'ihi igu avi na ndi ezi omume.

### Jọn 20.26-28

Mḇe ubọchi asatọ ọzọ gasiri ndi nēso uzọ Jisus we nọ nime ulo, Tomas nọ kwa n'etiti ha. Jisus bia, mḇe emechiri uzọ nile, O guzo n'etiti ha, si, Udo diri unu. Mḇe ahu Ọ si Tomas, Setipu nkpisi-aka-gi n'ebe a, le akam abua; setipu kwa aka-gi, tiye nime akukum: aghọ-kwa-la onye nēkwegh, kama ghọ onye nēkwere. Tomas zara, si Ya, Onye-nwem na Chinekem.

### Ọlu ndi-ozi 10.39-41

Ayi onwe-ayi bu kwa ndi-àmà nke ihe nile Ọ mere n'ala ndi-Ju, na nime Jerusalem; Onye ha ḇukwa-ra, nākwuba Ya n'elu osisi. Onye ahu ka Chineke mere ka O si n'ọnwu bilie n'ubọchi nke-atọ, Ọ were kwa Ya nye ka egosi Ya n'ihè. Ọ bugh ndi-Ju nile ka egosiri Ya, kama ọ bu ndi-àmà Chineke buru uzọ rọputa, bú ayi onwe-ayi, ndi soro Ya nēri nāñu kwa mḇe O siri na ndi nwuru anwu bilie.

### Jọn 5.25 na 28, 29

N'ezie, n'ezie, asim unu, Oge hour nābia, uḇu a ka ọ di kwa, mḇe ndi nwuru anwu gānu olu Ọkpara Chineke; ndi nuru gādi kwa ndu. . . Ka ihe a ghara iju unu anya: n'ihi na oge hour nābia, mḇe ndi nile di n'ílì gānu olu-Ya, ha gāputa kwa; ndi mere ezi ihe gābà na nbilite-n'ọnwu nke ndu; ma ndi mere ihe nādigh nma gābà na nbilite-n'ọnwu nke ikpé.

### Ndi Rom 1.4

Onye akaworo ibu Ọkpara Chineke n'ike, dika Mọ nke idi-nsọ si di, site na nbilite-n'ọnwu nke ndi nwuru anwu; bú Jisus Kraist Onye-nwe-ayi.

### Ndi Rom 6.3-5

Ma-ọbu ùnu amagh na ka ayi ra, bú ndi emere baptism ibà nime Kraist Jisus, emere ayi baptism ibà n'ọnwu-Ya? Ya mere esitere na baptism-ayi lìkọ ayi na Ya ibà n'ọnwu ahu: ka, dika esitere n'ebube nke Nna-Ya me ka Kraist si na ndi nwuru anwu bilie, ka ayi onwe-ayi we jeghari kwa na ndu ọhu otú a. N'ihi na asi na ejiri oyiyi ọnwu-Ya me ka ayi na Ya tokọ buru otù ihe, agēji kwa oyiyi nke nbilite-n'ọnwu-Ya me ka ayi na Ya tokọ buru otù ihe.

### 1 Pita 1.15

Kama dika Onye kpọrọ unu di nsọ, unu onwe-unu, ghọ-kwa-nu ndi di nsọ n'ibi-obi nile di iche iche.

### 2 Timọti 2.21

Ya mere ọ buru na onye ọ bula asacha onwe-ya pua n'ihe ndia, ọ gābu ihe emere ka ọ buru ihe-nsọpuru, ihe edoworo nsọ, ihe bara n'ihe ka Onye-nwe-ya were ya me ihe, ihe edoziworo iji lu ezi ọlu nile ọ bula.

### 1 Pita 1.2

Ndi arọputaworo dika ọmuma-ihe Chineke buru uzọ mara si di, nime ido-nsọ nke Mọ Nsọ, ka unu we ṅa Jisus Kraist nti, ka ewe fesa kwa unu ọbara-Ya: Ka eme ka amara bara unu uba, ya na udo.

### 2 Ndi Kọrint 7.1

Ya mere ndi m'huru n'anya, ebe ayi nwere nkwa ndia, ka ayi sachapu n'onwe-ayi nmeru nile nke aru na nke mọ, nēmezu idi-nsọ n'egwu Chineke.

### Ndi Efesọs 1.4

Dika Ọ roputara ayi nime Ya mḅe akātọgh ntọ-ala uwa, ka ayi we di nsọ buru kwa ndi anāpugh ita uta n'iru Ya n'ihu-n'anya.

## 1 Jọn 1.9

Ọ buru na ayi ekwuputa nmehie-ayi, Ọ bu Onye kwesiri ntukwasi-obi, buru kwa Onye ezi omume, ka Ọ we ḇaghara ayi nmehie-ayi, sachapu k̄wa ayi ajọ omume nile.

## Matiu 3.11

Mu onwem nēji miri me unu baptism n'ezie ka unu we chèghariа: ma Onye nke nābia n'azum kam ike, Onye m'nērugh ichi akpukpọ-ukwu-Ya: Onye ahu gēji Mọ Nsọ na ọku me unu baptism.

## Luk 1.74, 75

Ikweye ayi, ebe adọputaworo ayi n'aka ndi-iro-ayi, Ka ayi nēkpere Ya nātugh egwu, N'obi ọcha na ezi omume n'iru Ya ubọchi-ayi nile.

## Aisaia 35.8

Uzọ atuliri atuli, ọbuná uzọ, gādi kwa n'ebe ahu, Uzọ nke idinsọ ka agākpọ kwa ya; onye ruru árú agagh-agabiga na ya; ma uzọ ahu gādiri ndi ahu: onye ọ bula nke nāga n'uzọ, ọbuná ndi ḇagọrọ aḇagọ n'uche-ha, ha agagh-akpafu akpafu.

## Ndi-Hibru 13.12

N'ihi nka Jisus, ka Ọ we site n'ọbara nke Ya onwe-ya do ndi nke Ya nsọ, Ọ hu-kwa-ra ahuhu n'azu ọnu-uzọ-ama nke obodo.

### Luk 11.13

Ya mere, ọ buru na unu onwe-unu, ọ bu ezie na unu jọrọ njọ, ma unu nāmata inye umu-unu ezi onyinye, Nnà-unu nke elu-igwe gēsi aṅa ghara iwere kari Mọ Nsọ nke-uku nye ndi nāriọ Ya?

### Ọlu ndi-ozi 4.31

Mb̲e ha riọsiri aririọ, ewe me ka ebe ha nọ na nzukọ me nkpatu; ha nile we juputa na Mọ Nsọ, we were nkwuwa-okwu nēkwu okwu Chineke.

### Ọlu ndi-ozi 13.52

Ndi nēso uzọ Jisus we juputa n'ọṅù na Mọ Nsọ.

### Ndi Rom 8.9

Ma unu onwe-unu anọgh n'anu-aru, kama unu nọ nime Mọ Nsọ, ma ọ buru na ọ bu ezie na Mọ nke Chineke nēbi nime unu. Ma ọ buru na onye ọ bula enwegh Mọ nke Kraist, onye ahu abugh nke Ya.

### Ọlu ndi-ozi 1.8a

Ma unu gānata ike, mb̲e Mọ Nsọ gābiakwasiwori unu: unu gābu kwa ndi-àmàm. . .

### Ezikiel 36.27

Mọ nkem ka M'gētiye nime unu, me ka ọ buru n'ukpurum nile ka unu gējeghari, ọ bu kwa ikpém nile ka unu gēdebe, me ha.

### Abù ọma 34.18

Jehova nọ nso ndi obi-ha tiwara etiwa, Ọ nāzọputa kwa ndi azọpiaworo nime mọ-ha.

### Nkpughe 21.4

O gēhichapu kwa anya-miri nile ọ bula n'anya-ha; ọnwu agagh-adi kwa ọzọ; iru-újú maọbu ikwa-ákwá ma-ọbu aru-ufu agagh-adi kwa ọzọ: ihe mbu nile agabigawo.

### 1 Pita 4.12, 13

Ndi m'huru n'anya, unu echèla èchìchè bayere ọnwunwa ọku ahu nke di n'etiti unu, nke nābiakwasi unu inwa unu, na ọ bu ihe anāhugh mḇe ọ bula, dika agāsi na ọ bu ihe anāhugh mḇe ọ bula nādakwasi unu: kama ebe unu nwekọrọ ahuhu nke Kraist, nāṅurinu ọṅu; ka unu we were kwa obi nātọ utọ nke-uku ṅuria nime nkpughe nke ebube-Ya.

### Aisaia 66.2

N'ihi na ihe nile ndia ka akam meworo, ihe ndia nile ewe di, ọ bu ihe si n'ọnu Jehova puta: ma onye a ka M'gēlegide, ọbuná onye ewedara n'ala nke etiḇu-kwa-ra mọ-ya etiḇu, onye nāma kwa jijiji n'okwum.

### Abù ọma 37.3

Tukwasi Jehova obi, me kwa ezi ihe; Biri n'ala, nāzù kwa onwe-gi n'ikwesi-ntukwasi-obi.

### Ndi-Hibru 2.18

N'ihi na ebe Ya onwe-ya huworo ahuhu site n'ọnwunwa anwara Ya, Ọ puru iyere ndi anānwa aka.

### Ndi Rom 16.20a

Ma Chineke nke udo gāzọpia Setan n'okpuru ukwu-unu ọsọsọ.

### Ndi Rom 8.28

Ma ayi matara na ihe nile nālukọ ọlu iwetara ndi huru Chineke n'anya ezi ihe, bú ndi akpọrọ dika ihe O nēzube si di.

### Aisaia 43.2

Mbe i nāgabiga nime miri, gi ka M'gānọyere; mḇe i nāgabiga nime osimiri, ha agagh-erùchapu gi: mḇe i nēje ije n'ọku, ọku agagh-aru gi; ire-ọku agagh-ere kwa gi ọku.

### Abù ọma 34.19

Ha di ọtutu, bú ihe ọjọ nke nādakwasi onye ezi omume: Ma n'aka ha nile ka Jehova nānaputa ya.

### 1 Ndi Kọrint 10.13

Ọ digh ọnwunwa ọ bula nwaworo unu ma-ọbugh nke madu nānagide: ma Chineke kwesiri ntukwasi-obi, Onye nāgagh-ekwe ka anwa unu kari nke unu puru inagide; kama n'oge ọnwunwa ahu Ọ gēme kwa uzọ nḇapu, ka unu we nwe ike inagide ya.

### Nkpughe 21.7

Onye nēmeri gēketa ihe ndia; M'gābu-kwa-ra ya Chineke, ya onwe-ya gābu-kwa-ram nwa.

### Nkpughe 2.7

Onye nwere nti, ya nu ihe Mọ Nsọ nāgwa nzukọ Kraist. Onye nēmeri emeri, ya ka M'gē-kweye ka o rie nkpuru si n'osisi nke ndu ahu puta, bú nke di na Paradais nke Chineke.

### Nkpughe 3.12

Onye nēmeri emeri, ya ka M'gēme ka ọ buru ide n'ulo nsọ nke Chinekem, ọ gagh-esi kwa n'ebe ahu pua ọzọ ma-ọli: M'-gēdekwasi kwa ya aha Chinekem, na aha obodo Chinekem, bú Je-rusalem ọhu, nke si n'elu-igwe ridata site n'ebe Chinekem nọ, M'gēdekwasi kwa ya aha ọhu nkem.

### Nkpughe 3.21

Onye nēmeri emeri, ya ka M'-gēkweye ka o som nọdu ala n'-oche-ezem, dika Mu onwem me-ri-kwa-ra, we so Nnam nọdu ala n'oche-eze-Ya.

### Nkpughe 3.5

Onye nēmeri emeri ka agēbo-kwasi uwe ọcha otú a; M'gagh-ehichapu kwa aha-ya nime akwu-kwọ nke ndu nkem ma-ọli, M'gē-kwuputa kwa aha-ya n'iru Nnam, na n'iru ndi-mọ-ozi-Ya.

# CHINEKE EKWUE OKWU BAYERE NKEWA ỌLỤLỤ DI NA NWUNYE

## 1 Ndi Kọrint 7.10, 11

Ma enyem ndi nọ n'ọnọdu di na nwunye iwu, ọ bugh mu onwem, kama ọ bu Onye-nwe-ayi, Ka nwunye ghara ikewapu onwe-ya n'aru di-ya (ma asi na ọ bu ezie na ọ kewapuru onwe-ya, ya nọgide nēnwegh di; ma ọ megh otú a, ka eme ka ya na di-ya di n'otù); ka di ghara kwa irapu nwunye-ya.

## Ndi Rom 7.2, 3

N'ihi na iwu kekọrọ nwayi nke nwere di n'aru di-ya mbe di-ya nọ na ndu; ma ọ buru na di-ya nwuru, atọpuwo ya n'iwu nke di-ya. Ya mere otú a, agākpọ ya nwayi nākwa iko, ma ọ buru na ọ lakuru nwoke di iche mbe di-ya nọ na ndu: ma ọ buru na di-ya nwuru, ọ puwo n'iwu nwere onwe-ya, nke nēme ya ka ọ ghara ibu nwayi nākwa iko, ma ọ buru na ọ lakuru nwoke di iche.

## Matiu 5.32

Ma Mu onwem si unu, na nwoke ọ bula nke nārapu nwunye-ya, ma-ọbugh n'ihi ikwa-iko, ọ nēme nwayi ahu ka ọ nọ n'ọnọdu onye akwara iko megide: onye ọ bula nke gālu kwa ya mbe arapusiri ya, ọ nākwa iko.

Mak 8.38

N'ihi na onye ọ bula ihere Mu onwem na okwum nile gēme n'ọḅọ a nke nākwa iko, nke nēmehie kwa, ihere onye ahu gēme kwa Nwa nke madu, mḅe Ọ gābia n'ebube nke Nna-Ya, Ya na ndi mọ-ozi-Ya di nsọ.

Jemes 5.8

Unu onwe-unu, nātachi-kwa-nu ogologo-ntachi-obi; menu ka obi-unu guzosie ike: n'ihi na ọbibia nke Onye-nwe-ayi di nso.

Matiu 24.30

Mḅe ahu ka ihe-iriba-ama nke Nwa nke madu gāputa kwa ìhè n'elu-igwe: mḅe ahu ka ebo nile nke uwa gēti kwa aka n'obi, ha gāhu kwa Nwa nke madu ka Ọ nābia n'elu igwe-oji nile nke elu-igwe n'ike na oké ebube.

Nkpughe 3.11

Anamabia ọsọsọ: jidesie ihe i nwere ike, ka onye ọ bula ghara inara okpu-eze-gi.

Jọn 14.3

Ọ buru kwa na Mu aga idoziri unu ebe, agajem ibia ọzọ, M'gā-nara kwa unu nye Onwem; ka unu onwe-unu we nọ kwa ebe Mu onwem nọ.

Matiu 24.27

N'ihi na dika àmùmà si n'Ọ-wuwa-anyanwu puta, gosi kwa onwe-ya rue Ọdida-anyanwu; otú a ka ọbibia Nwa nke madu gādi.

### Luk 12.40

Unu onwe-unu buru kwa ndi edoziworo: n'ihi na n'oge hour nke unu nēchègh ka Nwa nke madu gābia.

### Ọlu ndi-ozi 1.11

Ndi si-kwa-ra, Ndikom nke Galili, gini mere unu nēguzo nēle anya n'elu-igwe? Jisus nka, Onye anapuru n'ebe unu nọ rigo n'elu-igwe, gābia n'otù aka ahu dika unu kiriri Ya ka Ọ nāga n'elu-igwe.

### 1 Jọn 3.2

Ndi m'huru n'anya, ubu a ka ayi bu umu Chineke, akēmegh kwa ka ọ puta ìhè ihe ayi gābu. Ayi matara na, ọ buru na agēme ka Ọ puta ìhè, ayi gābu ndi yiri Ya; n'ihi na ayi gāhu Ya otú Ọ di.

### Luk 21.27

Mbe ahu ha gāhu kwa Nwa nke madu ka Ọ nābia n'igwe-oji, Ya na ike na oké ebube.

### Matiu 16.27

N'ihi na Nwa nke madu gaje ibia n'ebube nke Nna-Ya, Ya na ndi-mọ-ozi-Ya; mbe ahu ka Ọ gēnyeghachi kwa onye ọ bula dika omume-ya si di.

### Nkpughe 16.15

Le. anamabia dika onye-ori. Ngọzi nādiri onye nēche nche, nēdebe kwa uwe-ya, ka ọ ghara ijeghari n'ọtọ, ha we hu ihere-ya.

# OKWU NKE CHINEKE

### Abù ọma 119.11

N'obim ka m'zobeworo okwu-ọnu-Gi, Ka m'we ghara imehie megide Gi.

### Matiu 22.29

Ma Jisus zara, si ha, Unu nēhie uzọ, ebe unu amatagh ihe edeworo n'akwukwọ nsọ, ma-ọbu ike Chineke.

### Luk 21.33

Elu-igwe na uwa gāgabiga: ma okwu nile nkem agagh-agabiga ma-ọli.

### 2 Timọti 3.16

Ihe ọ bula edeworo n'akwukwọ nsọ bu ihe si n'obi Chineke puta, ọ ba-kwa-ra urù, iji zí ihe, na iji tu madu nmehie-ha n'anya, na iji me ka uche madu guzozie, na iji zùputa nzùputa nke di n'ezi omume.

### Abù ọma 119.105

Okwu-Gi bu oriọna diri ukwum, Ọ bu kwa ìhè diri okporo-uzọm.

### Abù ọma 119.89

Jehova, rue mḅe ebigh-ebi Ka emeworo ka okwu-Gi guzosie ike n'elu-igwe.

### 2 Pita 1.21

N'ihi na ọ digh amuma ọ bula nke eji ọchichọ madu bu mḅe ọ bula: kama madu sitere na Chineke kwu okwu, mḅe Mọ Nsọ nēme ka ha kwue.

**Published in numerous languages by the World Missionary Press as God supplies funds in answer to prayer. Other booklets are also available. If you would like more copies for careful distribution, please write in English to:**

World Missionary Press, Inc.
Box 120
New Paris, Indiana 46553 U.S.A.

Owerri. (Isuama) Onitsha.

Nigeria Umuahia. (Ohuhu). Orlu. Ngwa.
Afikpo. Nsa. Oguta. Anoicha.
East Eche. Egbema.

Igbo

Anambra Rivers

**31 Ibo**

Imo Bendel

12M

IGR